# NDỤ NKE ỊDỊNSỌ

**1 Pita 1:1-25; 2:1-25.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 452**

**Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Sọpuru madu nile. Hunu òtù ndi bu umu-nna n'anya. Nātunu egwu Chineke. Nāsọpurunu eze-unu" (1 Pita 2:17).**

**Otù Ozi Nye Anyị**

Pita, Onyeozi, bụ óké onyemkwusa, o kwukwara ụfọdụ Okwu Chineke dị ukwu nke edere nime Baịbụl Nsọ. Nime isi ebe ọgụgụ ndịa ọ naakọwa, n'etiti ihe niile ọzọ, banyere ndụ dị nsọ nke OnyeKraist. Pita bụ onyeọ̀kụ̀azụ n'otù mgbe, ụfọdụ "ihe nkọwa" ya kwa ka o nwereike iweta site ná mnwapụta ochie ya.

Anyị naamụta site n'ebe ọgụgụ anyị banyere ahụhụ niile nke Kraist mgbe Ọ nọ n'ụwa a, na ebube nke chere Ya mgbe emesịrị. NdịKraist taa nwere ụfọdụ ahụhụ ha gaagbiga, ma ụgwọọlụ dị ebube naechere ha ọ bụrụ na ha nwere ntachịobi nọgide rue ọgwụgwụ. Ma ọ dị ihe dị icheiche ha náaghaghị ime ka ha wee bụrụ ndị mmeri zuruókè.

**Ndụ Edoro Nsọ**

Mgbe azọpụtara anyị doo kwa anyị nsọ anyị naesite n'obi anyị hụrịta onweanyị n'anya siike, maọbụ ịhụn'anya dị ọkụ dị kwa omimi. Ọ bụrụ na anyị hụ ndịọzọ n'anya, anyị agaghị eme ihe ọ bụla gaemerụ ha arụ: anyị agaghị agwa ha okwu ọjọọ maọbụ kwue okwu ọjọọ banyere ha; anyị agaghị agụ onweanyị ná ndị dị elu karịa ndịọzọ anyị gaagbablị kwa inyere ụmụmmadụ aka inweta nzọpụta. "Ghọ-kwanu ndi di nsọ n'ibi-obi nile di iche iche" náagbaghị agụgọ pụtara ịdịọcha, zueòkè dị kwa nsọ n'ụbọchị niile nke ndụ anyị, ma n'okwu ma n'omume. Anyị aghaghị ileruanya ná mkparịta ụka anyị wee ghara ịgwa mmadụ okwu n'olu ike maọbụ were okwu anyị merụọ ndịọzọ arụ.

Mgbe Onyenweanyị zọpụtara mmadụ site ná mmehie ọ naabụ ihe dịrị ya mfé iwezuga ihe ọjọọ niile, aghụghọ, iruabụọ, ekworo, na mkwutọ. Ihe ọjọọ pụtara "ucheọjọọ" maọbụ échìchè ọjọọ; aghụghọ pụtara ihe dị ka nghọgbu; iruabụọ pụtara mmadụ igosi onweya na ya bụ ihe ọ naabụghị; ikwoekworo megide onyeọzọ bụ iwéiwe n'ihi eziihe meere onyeọzọ. Mkwutọ jikọtara ikwuokwu megide onyeọzọ, naekwu ihe náadịghị mma banyere ya, na ịgbalị ime ka onyeọzọ megide onye nke ọzọ. Ikwuokwu ụgha na ikwuokwu jọrọnjọ bụ kwa mkwutọ.

**Ule Na Ọnwụnwa**

Ọtụtụ mgbe ndị ụwa naekwu na NdịKraist bụ ndị dị iche n'ihi na ha adịghị eme omume maọbụ kwueokwu dịka ndịọzọ, maọbụ jie óké ejiji nke ndị mmehie naeji. Ụmụokorọbịa na ụmụagbọghọbịa pụrụ ikwuokwu jọgburu onweya, wee site na ya mejọọ ndị naeme eziihe. Pita naekwu ka añụrịaọñụ, "ọ bụ ezie na emere ka o wuta unu n'ọnwunwa di iche iche nwa oge ugbu a, ma asi na ọ di nkpà." Ọ naasị na ule na ọnwụnwa dị mkpa ọbụná karịa ọlaedo nye anyị, na o kwesịkwara ka "obi we nātọ unu utọ nke uku n'ọñụ nke anāpugh ikwu okwu nke enyewo-kwa-ra ya otuto." Nke a adịghị mfé ime mgbe ndịọzọ ji anyị náeme iheọchị, maọbụ mgbe nááńị anyị nọ site n'iwezuga onweanyị site n'ụfọdụ ihe anaeme n'ụlọakwụkwọ nke anyị nwere mmetụta na anyị ekwesịghị isoro na ya. Ma ọ bụrụ na anyị eguzosieike, nke a naewuli akparamagwa anyị; ọ naeme ka anyị dị ike karịa nime Onyenweanyị, ọ gaenye kwa anyị ike ịgafe ule dị ike karịa n'ihi Jisọs mgbe ọ dị mkpà.

Ụfọdụ mmadụ adịghị "etóetó" nime mmụọ, mgbe niile ha naekwe ka ule ha "kụdaa ha," ha naechè na nsogbu ha dị ukwu karịa nke mmadụ niile ọzọ.

**Iche échìchè Anyị Nchè**

Pita naasị "kenu iheokiké a n'úkwù nke uche-unu." N'oge ochie ụmụmmadụ náeyi uwe nwụda, were kwa ihe okiké kee n'úkwù. Ọtụtụ mgbe ha naachịkọta uwenwụda ahụ gburugburu úkwù ha, ime ka ọ dị mkpụmkpụ karịa, ka o wee ghara igbochi ijéijè maọbụ ịgbaọsọ ha, kama ka ha nọdụ ná njikere ime ihe. Agwara anyị "kenu" uche anyị -- chee échìchè anyị nche, debe uche anyị na Jisọs. Ghara ikwe ka uche anyị dịrị n'ihe nke ụwa, kama ka anyị náatụgharị uche n'ihe banyere Jisọs na ọbịbịa ọsọsọ Ya. Pọl naadụ anyị ọdụ ka anyị naechè échìchè banyere ihe kwesịrị na ihe ekwuru nkeọma.

**Ụbọchị Ndụ Dị Mkpụmkpụ**

Otù onyinyo pụtara ìhè n'ebe a nke naegosi ịdịgide adịgide nke Okwu Chineke na otú ndụ nke mmadụ si dị mkpụmkpụ. "Anu-aru nile di ka ahihia, ebube-ya nile di kwa ka uzari ahihia. Ahihia akpọnwuwo, uzari-ya adapuwo kwa: ma okwu Onye-nwe-ayị nādigide rue mgbe ebigh-ebi." Ụmụokorọbịa na ụmụagbọghọbịa arụ ha mara abụba ndị gbawokwara nááń̄ị arọ olenaole, dị kwa ike, náenweghị ọrịa ọ bụla ganaechè na ndụ gaadịgide rue mgbe dị anya. Ọtụtụ ihe dị agaeme; ọtụtụ ebe agaeje; ọtụtụ iheụtọ agaenwe ná ndụ! Nke ahụ bụ eziokwu, nke ka nke nye ndị azọpụtaworo. Ọtụtụ ihe ịtụn'anya dị ụtọ jupụtara ná ndụ, nke ka nke nye ụmụokorọbịa na ụmụagbọghọbịa. Ọbụná ndị bụworo agadi naanọdụ nááń̄ị otù ebe, ndị ọ naesikwara ike ijèghari ka naechèta kwa mgbe ha bụ okoro na agbọghọ, náarọ kwa nrọ nke ihe gaworo aga na ọdịn'iru. Ma otú ọ dị ndụ dị óké mkpụmkpụ! Moses dere n'Abụ Ọma 90:10: "Ụbọchi arọ nile ayi di ọgụ arọ na atọ na iri; ma ọ buru na ha esite n'idi-ike-ayi ọgụ arọ anọ, otú ọ di nganga-ha bu náni idọgbu-onwe-ha-n'ọlu na ajọ ihe; n'ihi na ọ gbapuwo ọsọsọ, ayị we fela dika nnunu." Ọtụtụ mmadụ naadị ndụ bụrụ kwa okenye gbakarịa iri arọ asaa (70), ma ka ha naabụ okenye karịa ike naagwụ ụfọdụ na ọ ghaghị ịbụ ndịọzọ ganaelekọta ha.

Arọ olenaole garaaga ndị náalụọlụ n'ụlọọgwụ jere leta otù agadi nwoke n'àkwà ya ebe ọ naarịaọrịa. Ọ gwara ha na tupu ya amalite ịrịaọrịa, otù ụtụtụ mgbe ya naalụọlụ n'ọba, otù nwanwa ya bụ nwanyị gbara ọsọ gbakwute ya wee sị, "Papannukwu, anyị naeme ememe ncheta ụbọchị ọmụmụ gị nke iri asatọ (80) taa." O wee ghọta na mberede na ya ebiwo iri arọ asatọ nke ya. "Òlee ebe iri arọ asatọ ahụ gaworo?" ka o chèrè. Mgbe ụbọchị olenaole gara ọ malitere ịrịaọrịa ewee buga ya n'ụlọọgwụ. Ọ bụ mgbe ahụ ka o weere oge ịchọ Onyenweanyị ewee zọpụta ya. Oge náadịghị anya site na mgbe ahụ ewee kpọọ ya ịla n'Ụlọ ya dị n'Eluigwe. Jisọs Kraist "dika óké ebere Ya si di" zọpụtara ya tupu oge aganarị ya. Oge dị ka ọ naeféefé n'ezie! Anaanụ ọtụtụ mgbe ka ndịokenye naekwu sị, "Ọ dị ka ọ bụ ụnyahụ ka mbụ nwatakịrị."

Mgbe ụfọdụ ọnwụ naewere kwa ọbụná ụmụntakịrị na ụmụokoro na ụmụagbọghọ, ọ dịghị kwa onye ọ bụla nime anyị maara ihe echi gaeweta. Ugbu a bụ oge ịchọ Onyenweanyị wee jikere izute Ya n'udo.

**Ịhụahụhụ N'ụzọ Náezighiezi**

Pita naasị na "n'ihi akọ-na-uche n'ebe Chineke nọ" anyị kwesịrị ijikere ịhụ ahụhụ n'ụzọ náezighịezi. Ọ baraghị anyị urù ọ bụrụ na eduzie anyị mgbe anyị mejọrọ anyị wee ghara "ikwughachi." Ma ọ bụrụ na anyị emee eziihe, ewee baara anyị mba n'ihi ya, anyị wee nagide ya ná ntachiobi, mgbe ahụ obi gaatọ Chineke ụtọ n'ebe anyị nọ.

Dịka iheatụ, eleghịanya agwara gị ka ị mee ihe, ị wee mee ya n'ụzọ ị chere na o ziriezi nke gaenye kwa aka. Mgbe ahụ eleghịanya otù onye anabataghị ya wee gwa gị okwu n'olu ike. Ọ bụrụ na ị nwere amara Chineke n'obi gị wee nagide ya na ntachiobi, wee ghara ikwughachi, mgbe ahụ Chineke gaenwe obiụtọ Ọ gaagọzi kwa gị n'ihi ya. O nwere ike igbu mgbu n'oge ahụ, ma ị nweghị obiọjọọ, ị chèghị kwa n'onwe gị sị; "Agam emegwara gị." Mgbe ahụ akọnauche gị dị ọcha n'ebe Chineke na mmadụ nọ. Ị pụrụ ikpere onye nkeọzọ ekpere.

**Kraist Ihenlereanya Anyị**

"Kraist hu-kwa-ra ahuhu n'ihi unu, nārapuru unu ihe ilere anya, ka unu we so ije-ukwu-Ya nile: Onye ọ digh nmehie ọ bula Ọ mere ahugh kwa aghughọ n'ọnu-Ya: Onye, mgbe anēkwutọ Ya, Ọ digh ekwutọghachi ọzọ; mgbe Ọ nāhu ahuhu, Ọ digh-aba mba." Ọ dịghị onye ọ bụla nime anyị hụworo ahụhụ dịka Ọ hụrụ; anyị agaghị amata ịdị arọ nke oe ahụ O buru n'ihi anyị; anyị agaghị enweike ịkwụghachi Ya, ọbụná n'ụzọ dị ntà. Ma ihe dịkarịsịrị ntà anyị pụrụ ime bụ iburu obe anyị, sogidesieike, jikere kwa ịhụ ahụhụ náezighịezi n'ihi Ya.

Ọtụtụ ndịàmà ụgha kwuru okwu megide Jisọs ma Ọ gbara nkiti. Ha bụsara Ya asọ were kwa aka ha tie Ya ihe. Eyipuru Ya uwe Ya wee yikwasị Ya uwe uhie. Okpu ogwu, nke ejiri otù iheọkụkụ jupụtara n'ogwu buruibu, jọgbukwara onweya mee, ka ekpukwasịrị Ya n'isi. Ha nyere Ya amị n'aka wee gbue ikpere n'iru Ya wee kwaa Ya emò. Emere Ya ka O buru obe Ya; akpọgidere Ya n'obe nye kwa Ya mmanya vine agwara òlùlù ka Ọ ñụọ.

"Onye Ya onwe-ya, dika àjà achuru, buru nmehie nile ayi n'aru-Ya n'elu osisi ahu, ka ayi, ebe ayi nwuworo n'ebe nmehie nile di, ka ayi we di ndu n'ebe ezi omume di; Onye eji ọnyà-utari-Ya me ka unu nwe ezi ndu." Ọ bụ n'ihi anyị: ibupụ mmehie niile anyị, ido anyị nsọ na ịgwọ ọrịa anyị.

**Onyeòzùzùatụrụ Na Atụrụ**

Náarụghịụka unu niile ahụwo onyinyo nke nwaatụrụ ahụ furuefu wee daba n'akụkụ ugwu. Onyeọ̀zụ̀zụ̀atụrụ obiọma ahụ, naanọchita anya dịka Jisọs naeyi okpu ogwu, rulatara wee napụta nwaatụrụ ntà ahụ. Jisọs sịrị, "Gini bu uche unu? ọ buru na onye ọ bụla nwere ọgụ aturu ise, ma otù nime ha hie ụzọ, ọ̀ digh-agha ọgụ anọ na iri na iteghete ahu, ga ugwu, nāchọ nke ahụ hiere uzọ" (Matiu 18:12). Gịnị gaabụ ọ̀zịzá gị nye ajụjụ ahụ?

Tupu azọpụta anyị, anyị "nēhieri dika aturu; ma ugbu a unu chigharikutere Onye ahụ Onye nāzu nkpuru-obi-unu dika anāzu aturu, Onye nēlekọta kwa ha anya." Ka anyị ghara ịkpafu site n'ebe Jisọs, Ezi Onyeọ̀zụ̀zụ̀atụrụ nọ.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị bụ urù ekwuru na "nnwaputa nke okwukwe-unu" bara?
2. Gịnị ka "kenu ihe-okiké a n'úkwù nke uche-unu pụtara?
3. Gịnị mere o ji dị mkpà na anyị gaadị nsọ?
4. Gịnị ka "anuaru nile di ka ahịhia" pụtara?
5. Rùe ole mgbe ka Okwu Chineke naadịgide?
6. Gịnị ka agwara anyị ka anyị tụpụ?
7. Gịnị mere eji echè mgbe ụfọdụ na NdịKraist bụ ndị dị nsọ?
8. Òlee otú ndị bụ orù kwesịrị iji mesoo ndịnwe ha?
9. Kwue otú Kraist si bụrụ ihe ilereanya zuruòkè nye anyị.
10. Gịnị bụ ihe ntụnyere emere n'etiti mmadụ na atụrụ?